www.idosr.org Eze and Emeka
©IDOSR PUBLICATIONS
International Digital Organization for Scientific Research. ISSN: 2550-7958
IDOSR JOURNAL OF COMMUNICATION AND ENGLISH 7(1) 8-17, 2022.

# ỌMỤNGHỌTA MMEBE NA USORO OKWU NGWAA OSISI NRI N'ỤYỌKỌ OLU NDỊ ABAKALIKI

[1]Eze, Adaora Maudline Nwaoke and [2]Emmanuel Emeka
[1]Dept of Languages and Linguistics, Ebonyi State University, Abakaliki Ebonyi State, Nigeria
[2]Dept of Linguistics and Nigerian Languages, National Institute for Nigerian Languages, Aba Abia State, Nigeria
Email: mezeadaora@gmail.com; nwaokebest@gmail.com

**Ụmị**

Nchọcha a chọpụtara ma kọwaa mmebe ngwaa osisi nri n'ụyọkọ olu ndị Abakaliki nakwa etu ụdị mmebe ndị ahụ si emetụta usoro na echiche ọgbara okwu ebe ngwaa ndị ahụ pụtara ihe. Atụtụ a gbasoro mee nchọcha a bụ atụtụ ọkwa abụọ echiche ngwaa (*Two-level Verb Meaning theory*). Atụtụ a kwenyere na ngwaa ọ bụla nwere ọkwa abụọ: nke na-egosipụta ọpụrụ iche isi ngwaa na nke na-ezipụta ọrụ ngwaa na-arụ nakwa usoro ezi nhazi ha n'ụtọ asụsụ. Atụtụ a dabara nke ọma n'ihi na ọ na-emetụta mmebe, usoro na echiche okwu. Nchọcha a chọpụtara na olu ndị mejuputara ụyọkọ olu ndị Abakaliki nọ n'ọnọdụ nghọtarịta n'agbanyeghị na ha nwere obere ndịiche n'ogo amụma ụda, mmebe na usoro okwu ha. A chọpụtakwara na ngwaa ndị ahụ nwere ndịnoge ma nwekwa ụzọ dị iche iche ha si ezipụta ngosi oge. Ha niile na-eji mgbakwụnye nganazụ *-rV* egosipụta ngosi oge ndịnaazụ. Mgbe mkpọ aha na-arụ ọrụ omee n'ahịrị ngwanye, ha na-adọtara isi ngwaa ahụ nnyemaka ngwaa *–la* mana ọ bụrụ nnọchị aha isi ngwaa ahụ anaghị agbanwe. Mgbe e wubere ahịrị ntimiwu, ngwaa ndị ahụ na-adọtara onwe ha mgbakwụnye ụda ume nsonaazụ (Open Vowel Suffix) *-a/-e.* Mana mgbe ngwaa ndị ahụ na-ezipụta ngosi oge ndịnihu, ha na-adọtakwara onwe ha nnyemaka ngwaa *–la* ma ọ bụrụ na omee ahịrị ahụ bụ mkpọ aha mana ọ bụrụ nnọchị aha, nnọchị aha ahụ na-adọtara onwe ya nnyemaka nnọchi (Auxiliary Pronoun) *ò-ò /ọ̀-ọ̀* nke na-ezipụta ngosi oge ndịnihu ebe a na-eji *ọ̀/ò* ezipụta ngosi oge ndị ugbu a mere gawa

**Ọkpụrụkpụ okwu**: Ngwaa osisi nri, ụyọkọ olu ndị Abakaliki, atụtụ ọkwa abụọ echiche ngwaa, ụtọ asụsụ, amụmamụ asụsụ nri.

**ABSTRACT**

This research work x-rays the semantic implication morphosyntatic analyses of cooking verbs in Abakaliki Cluster of Dialects. Theory of Two-level verb meaning was adopted for the study because it believes that he Two-Level Theory holds that verb meanings have two separate levels of structure—one for the "root" or "constant" semantic features that characterize individual verbs, and another for the "event structure templates" or "thematic cores" that are shared by all the verbs in a given class. The research reveals that the dialect clusters of Abakaliki are mutually intelligible and their cooking verbs undergo different forms of changes when there is change in tense. The *rv suffix* is used to indicate past tense while *–la* is used to indicate present continuous tense and future tense when the subject of the sentence is a noun. If the subject is a pronoun, auxiliary pronouns *ọ̀/ ò* is used in the sentence to indicate present continuous tense while *ò-ò /ọ̀-ọ̀* is used to indicate future. In formation of imperative sentences, the verb root attracts an Open Vowel Suffix *a/e.*

**Keywords:** Cooking Verbs, Abakaliki Dialect Cluster, Theory of Two-level Verb, Grammar, and Culinary Linguistics.

## Mkpọlite

Ụyọkọ olu ndị Abakaliki (nke a mara ma na-akpọ Abankaleke na mbụ) so na ndị Nwaozuzu (2008) kpọrọ Olu Ndị Mgbago Ugwu Ọwụwa Anyanwụ Ala Igbo. Aba-Nkaleke bụ nkwụsị e si eje Nkaleke oge gboo; ọ bụ site na nkwụsị ahụ ka e si wube aha obodo a mara dị ka Abakaliki nke nwa Bekee kpọrọ Abakaliki. Ndị a mara dị ka ndị Abakaliki bụ ndị nke nọ n'okpuru ọchịchị Abakaliki nke agba oche mana a bịa na Steeti Ebọnyị nke ugbu a ha nọ n'okpuru ọchịchị Abakaliki, Ebọnyị, Ezza-North, Ezza-South, Ohaukwu, Ikwo, na Ishielu. Anyanwụ (2014) dere na a bịa na mgbago ugwu ọwụwa anyanụ ala Igbo, na ọ bụ obodo atọ, Ẹzaa, Ikwo na Izii, kacha buo ibu ma kacha pụta ihe. Ọ bụ nke a mere nchọcha a ji gbakwasị ụkwụ n'obodo atọ ndị ahụ. Ndị Ezaa bi na okpuru ọchịchị Ezza-North, Ezza-South, mpaghara ndị ọzọ n'okpuru ọchịchị Ishielu na Ọhaukwu nakwa obodo ndị ọzọ. Ikwo bi n'okpuru ọchịchị Ikwo nke bụ okpuru ọchịchị kacha buo ibu na Steeti Ebọnyị. Ala Izii gụnyere okpuru ọchịchị Abakaliki, Ebọnyị na Izzi. A bịa n'usoro okwu asụsụ Igbo nakwa nke olu ndị Igbo niile, ọ bụ naani nkeji okwu ngwaa na-akwụ naani ya dịka ahịrị okwu. O nweghi nkeji okwu ọzọ pụrụ ime nke a. Ngwaa bụ nkeji asụsụ na-egosi emereme; ọ na-emekwa ka ahịrị nwee nghọta zuru oke. Nke a mere tupu a kpọọ ọgbara okwu ọ bụla ahịrị okwu, a ga-enweriri ngwaa n'ime ya. Nke a na-egosi na nkeji asụsụ ndị ọzọ nwere ike ịpụcha n'ahịrị okwu mana ngwaa pụọ, ahịrị ahụ agaghịzị abụ ahịrị okwu ọzọ.

Nke a mere o ji dị mkpa na anyị ghọtara ngwaa dị ka nkeji asụsụ na-enye ahịrị okwu nghọta, na-egosi ọrụ mkpọ aha ma ọ bụ nnọchi aha. Mgbe ngwaa na-arụ ọrụ nnyemaka a na-akpọ ya nnyemaka ngwaa mana tupu nnyemaka ngwaa abaa uru a ga-enweriri omekangwaa ọ na-enyere aka. Omekangwaa bụ otu n'ime ọdịdị ngwaa nke a na-ewube site n'ịgbakwụnyere isingwaa nganiihu. Isi ngwaa bụ ntọala, ukwu ma ọ bụ mkpọrọgwụ ngwaa Igbo ndị a na-esi na ha wube ngwaa ndị ọzọ. Mgbe isi ngwaa nwere naanị otu nkeji okwu, a na-akpọ ya isi ngwaa mfe ebe nke nwere karịa otu nkeji okwu bụ nke a na-akpọ isi ngwaa ukwu. Mmadụ ọ bụla ahụ zuru oke n'enweghị nkwarụ na-ekwu okwu; ha na-erịkwa nri ma nwekwaa ụzọ dị iche ịche ha si emegharị ahụ. Ọ bụ ọnọdụ a mere ndị ọchọcha ji malite nchọcha a iji ziputa, chọpụta ma kọwaa myiri na ndịiche dị na mmebe okwu, usoro okwu na amụmamụ echiche olu ndị atọ ahụ kacha pụta ihe n'ụyọkọ olu ndị Abakaliki site na ịgbakwasị ụkwụ na ntụcha ngwaa osisi nri.

## Usoro Nchọcha

Ụdị nchọcha e mere bụ nke nkọwasị. Otu onye na ndị mere nchọcha a bụ nwa amala Ẹzaa, bụrụkwa onye mara olu ndị ahụ nke ọma; nke a mere inweta njatụle n'olu ndị ahụ abụghị nsogbu. E ji igwe ndọrọ okwu dọrọ ihe a gbatara n'ajụjụ ọnụ dị ka o si dị n'olu ndị Izii na nke ndị Ikwo. A tụlegharịrị ihe ndị ọchọcha ndị ọzọ mere banyere isi okwu nchọcha a. Ebe nchọcha a chọrọ ịchọpụta ma kọwaa myiri na ndịiche dị n'olu ndị Ezaa, Ikwo na Izii ọkachasị etu o si metụta ngwaa osisi nri. Ịsụ asụsụ bụ nke na-emetụta mmadụ na obodo. Nke a bụ n'ihi na mmadụ nwere ntụnye oke nye ịmụta na ịsụ asụsụ. Ọzọkwa, e nwere ntụ (parameters) na nhazị nke obodo na-ahanye ọsụụ n'aka. Mmadụ na-ekwu okwu n'ihi na ha nwere ihe ha na-ekwu; ha na-esikwa n' okwu ha kọwaa onwe ha (Ortega, 2015). Castillo (2015) kwenyere na asụsụ bụ okwu e kwuru site n'ihe mmadụ mara. Ọ gara n'ihu kwuo na asụsụ na-esi n'ezi abanye mmmadụ n'ime n'ihi na ọ bụ ihe ọha obodo na-asụ ka okwuu na-esite na ya wube ahịrị okwu echiche obi ya n'ihi na ikwu okwu abụghị ihe ọzọ belụsọ ịgbanwe echiche obi mmmadụ ka ọ ghọrọ okwu ọnụ. Nchọcha dị ka nke a abụghị ihe e ji egwu egwu n'ihi na ngwaa Igbo nwere agwara dị iche iche ma nwekwaa ọtụtụ ụzọ o si emetụta mkpụrụ echiche nnọrọnwe na nke ndabe dị iche iche; ọ bụ ya mere ndị ọchọcha jiri gbasoro atụtụ ọkwa abụọ echiche ngwaa.

## Usoro nkanye ụda olu

Nkanye akara ụda olu dị mkpa na nchọcha a iji ndịmiche n'etiti mkpụrụ okwu abụọ ndị nwere otu mkpụrụ edide mana usoro mkpọpụta ha abụghị otu. E nwere ụzọ atọ e si akanye akara ụda olu n'asụsụ Igbo: ụzọ ọ bụla nwere ndị nọ n'isi ya. Nchọcha a, gbasoro nzọ ụkwụ nke otu Welmers na Nwachukwu nke Mbah na Mbah (2010) kọwara na ha kwenyere na mgbe nkeji okwu ndị nwere otu ụda olu mejupụtara otu mkpụrụ okwu, na ọ bụ naanị nkeji nke mbụ ka a ga-akanye akara ụda olu. Ha kwukwara na mgbe e jekwuru ogoolu nwere ndịmiche na mkpụrụ okwu, a ga-akanye akara ụda olu naanị na nkeji okwu mbụ ndị nwere ụdị otu akara ụda olu ọ bụla ndị sochiri ibe ha. Ọzọkwa, a na-anakanye akara ụda elu nye ụda elu na nke nsụda; mgbe ọ bụla akara ụda olu elu na-eso ibe ya na mkpụrụ okwu, ihe ọ pụtara bụ na akara nke mbụ bụ nke ụda olu elu ebe nke abụọ bụ nke ụda nsụda.

## Atụtụ ọkwa abụọ echiche ngwaa

Atụtụ ọkwa abụọ echiche ngwaa (Two-level theory of verb) dị ka Kemmerer na Castillo (2010) siri kwuo kwenyere na ngwaa ọ bụla nwere ọkwa abụọ: nke na-egosipụta ọpụrụ iche isi ngwaa na nke na-egosipụta ọrụ ngwaa na-arụ nakwa usoro ezi nhazi ha n'ụtọ asụsụ. Harry Kalven n'afọ 1960 ziputara atụtụ ọkwa abụọ nke o ji kọwaa iwu ụlọ ikpe mba America tupu ndị ọzọ malite jiri ya rụba ọrụ. Kemmerer na Castillo (2010) kwukwara na ndị dị ka Hovav na Levin, (1998), Valin, V.(2005, 2006), na Pinker (1989) so na ndị mere nchọcha banyere atụtụ a. N'otu ọkwa, a na-egosipụta ihe mere ngwaa ji dị iche n'ebe ngwaa ndị ọzọ nọ. N'ogo ahụ, a na-atụle ukwu/isi ngwaa n'ihi agwara ọpụrụ iche nke ngwaa ahụ na-enwe ngwaa ndị ọzọ enweghị ndị gụnyere echiche, nnwemike (modality), na ngakọ ha n'ahịrị. Ọkwa nke abụọ na-elekwasị anya n'ọrụ ngwaa na-arụ n'ahịrị okwu ndị ha nọ n'ime ya nakwa usoro nhazi ha. Ọ na-eme ka amata agwara ndị ngwaa niile nọ n'otu ọnọdụ na-enwe dị ka o si emetụta ngosi oge, ndanusoro na ihe ndị ọzọ. Ihe ndị a gosiri na ọkwa ngwaa ọ bụla nwere mmetụta nye ọnọdụ niile ma ha e nwere nnara ma ọ bụ mmeju ma ọ bụ na ha enweghi.

## Mmebe na usoro okwu ngwaa n'asụsụ Igbo

Ihe banyere mmebe na usoro okwu bụ nke ọtụtụ ndị ọchọcha merela nchọcha banyere ya n'ọtụtụ ụzọ n'olu ndị nakwa asụsụ dị iche iche n'agbanyeghi na e nwebeghi nchọcha pụtara ihe e merela banyere mmebe na usoro okwu ngwaa n'ọyọkọ olu ndị Abakaliki. Nwaoke, Nweze na Nwode (2019) kwenyere na amụmụmụ mmebe na usoro okwu dị mkpa n'ihi na a na-eji mmebemusoro akọwa nkeji okwu ndị nwere mmetụta nye mmebe okwu na usoro okwu. Uchechukwu (2011) dere na ndị na-amụ banyere ngwaa asụsụ Igbo nwere ihe ịma aka n'ihi ụdịdị na agwara dị iche iche ngwaa Igbo na-

ebu nke mere o jiri bụrụ ihe e nwere ike ịkọwa site na ndokọ (usoro okwu) ma ọ bụ site n'amụmamụ echiche. Emenanjo (1978, 2015) dere na ọ bụ naanị ngwaa bụ mkpụrụ okwu Igbo nke na-adọtara onwe ya mgbakwụnye nsirimmebe na mgbakwụnye nsirinweta. Akinrẹmi (2016) kwadoro nke a site na ngosipụta mmebe na usoro okwu Igbo mgbe o mere nchọcha banyere ịchọpụta na ịkọwa usoro okwu mmafeneye asụsụ Igbo na asụsụ Bekee ebe o zipụtara na ngwaa Igbo na-adọtara onwe ya mkpụrụ echiche ndabe dị iche iche dị ka nsọkwụnye na mgbakwụnye iji hụ na mbunuche okwu ọ bụla bụ nke a ghọtara dị ka ọ dị na:

1. a. O mè-rè ya.
   Nn IN-Ns N
   b. O mè-tà-rà ya.
   Nn IN-MMN-Mgb N
   ch. Ngọzi e-me-ta-ghị ya.
   Ngozi Ng-IN-MMN-Nj N
   d. O me-e-le ya.
   Nn IN-Ns-Ns Nn
   e. Ọ chọ-ghị i-me ya.
   Nn IN-Nj NE-INE N
   f. Ọ gà- è-me ya.
   Nn Ny-Ng-In N

Site na ntụcha mmebemusoro nke ndị ọchọcha nyere ọmụma atụ Akinrẹmi (2016), o doro anya na n'ime ahịrị isii ndị ahụ, ọ bụ naanị *-me* pụtara ihe dị ka isi ngwaa agwara ọpụrụ iche nke alaka ngwaa ahụ ndị ọzọ enweghị. Isi ngwaa ahụ zipụtara echiche ebe nnyemaka ya ndị ọzọ zipụtara nnwemike ma mekwa ka ahịrị okwu ahụ nwee ngakọ na nhazi dabara adaba. Nke a dabara nke ọma nye atụtụ e ji mee nchọcha a n'ihi na o gosipụtara na ahịrị okwu ọ bụla nwere isi ngwaa nke na-ezipụta echiche kpọm kwem nke ngwaa ọ bụla ma nwekwaa mkpụrụ echiche ndabe ndị na-enye aka izipụta ọrụ ngwaa na-arụ n'ahịrị okwu. Dịka ndị ọchọcha siri kwuo na mbụ, atụtụ ọkwa abụọ echiche ngwaa kwenyere na ngwaa ọ bụla nwere ọkwa na-egosipụta ọpụrụ iche echiche isi ngwaa na ọkwa nke na-egosipụta ọrụ ngwaa ahụ nye usoro okwu na ezi nhazi ha n'ụtọ asụsụ. Chomsky (1965) kwuru na ụtọ asụsụ bụ ịgba bụ nke nwere mgbatị (projection) na mmụba (generation). Mbah (2018) kwenyere na ụtọ asụsụ nwere mgbatị bụ nke nwere iwu na-enye aka ịmụba ndokọ dabara adaba n'asụsụ ahụ. N'aka nke ọzọ. ụtọ asụsụ nwere mmụba mgbe o nwere ike izipụta ọtụtụ ahịrị okwu ma ọ bụ ewumewu dị iche iche ndị nke dabara nke ọma nye iwu ndokọ ụtọ asụsụ ahụ nke na ọ bụrụgodi na e nwere ka okwuu siri kwuo ihe ọhụụ dabara n'iwu ndokọ ụtọ asụsụ ahụ nke ọnụụ na-anụnụbeghị na ntị ya, ọnụụ ahụ ga-aghọta ihe e kwuru. Ndimele (1999) kwuru na ọrụ diịrị ndị ọka asụsụ bụ ịchọpụta ogo ụtọ asụsụ mkpụrụ okwu ma ọ bụ ọgbara okwu ọ bụla nọ na ya; ọ gara n'ihu kọwaa ngwaa dịka ọkacha mkpa na nkena ngwaa ahịrị okwu ọ bụla. Emenanjọ (1991) kwadoro nke a mgbe o kwuru na otu n'ime ụzọ ihe atọ e ji ama ahịrị okwu bụ na okwu ole ma ole ga-anọ n'usoro kwesịrị ekwesị ma nwere ngwaa ma nweekwa nghọta zuru oke. Lynch (1988) dere na ngwaa asụsụ ndị mba oke osimiri na-adọtara onwe ha mgbakwụnye nsonaazụ mgbe ha na-arụ ọrụ n'asụsụ dịka ngwaa mmennara mana ha anaghị enwe mgbakwụnye nsonaazụ mgbe ha guzoro dịka ngwaa ebu nnara. Odo, Nwaozuzu na Mbah (2015) mere nchọcha ịchọpụta mbunuche echiche ngwaa iri nri n'olu ndị Nsukka site n'ịgbaso ọmụnghọta mkpụrụ okwu; ha chọpụtara na ngwaa iri nri bụ nke na-ezipụta otu echiche izugbe nke bụ echiche okwu ndịna ebe echiche ụmụ okwu ndịna atọ ndị ọzọ e nwere n'olu ndị ahụ bụ ndị nke echiche na mmebe na usoro okwu ha na-adabere n'ụdị nri a na-eri. Ha nyere ngwaa 'ryi', 'lue', 'ta' na 'rashị' dị ka ọ dị n'ụfọdụ ọmụma atụ ha ndị a:

2. a. 'ryi' – 'ryi nri'
   Ada ne-eryi nryi – Ada na-eri nri
   b.'lue' – 'lue ụtara'
   Obi ne-elue ụtara – Obi na-elo ụtara
   ch.'ta' – ' ta ji'
   Obi na-ata ji – Obi na-ata ji
   d. 'rashị' – 'rashị ofe'
   Ada na-arashị ofe

N'agbanyeghị na ngwaa niile ndị a na-arụtụ aka nye iri ihe oriri, mana nke ọ bụla nwere echiche pụrụ iche ọ na-ezipụta; ebe ụfọdụ isi ngwaa bụ isi ngwa mfe, ndị ọzọ bụ isi ngwaa ukwu. Etu o sịla dị, ọmụma atụ ndị a na-egosipụta na ngwaa ọ bụla nwere ọkwa abụọ: ọkwa ọpụrụ iche echiche isi ngwaa na ọkwa nke na-egosipụta ọrụ ngwaa ahụ nye ahịrị okwu ọ dị na ya.

**Ngwaa osisi nri: ụdịdị na ọrụ ha n'ụyọkọ n'olu ndị Abakaliki**

Olu ndị mejupụtara Abakaliki buru ibu. Ha gụnyere: Agba, Amawula, Amuda, Amezu, Effium, Ezaa, Ezaamgbo, Ezilọ, Ikwo, Iyionu, Izii, Ngbo(Mgbo), Nkaleha, Nkalegu, Ntezi, Umuhalị, Obegụ, Okpoto, na Ọhafịa. Ọtụtụ n'ime ha bụ olu ndị Igbo ebe anọ (Amụda, Effium, Okpoto na Ntezi) bụ olu asụsụ Kọrin. N'agbanyeghị na e nwere olu ndị ndị na-enwechaghị mmetụta nye Igbo Izugbe,

nchọcha a ga-agbakwasị ụkwụ n'olu atọ ndị a: Ezaa, Ikwo na Izii n'ihi na ọ bụ ha ka ọnụ ọgụ ndị na-asụ ha kacha. Ọzọkwa, nke ọ bụla n'ime ha atọ na ibe ya nọ n'ọnọdụ nghọta abụọ (mutual intelligibility). Talmy (1985) kwenyere na mgbe ọ bụla a na-atụcha mkpụrụ okwu na a na-enwe mmetụta nye echiche mkpụrụ asụsụ/mkpụrụ echiche/mọfịm ndị e ji ewube mkpụrụ okwu ahụ. Etu o sịla dị, ebe anyị na-agbaso atụtụ ọkwa abụọ echiche ngwaa, a ga-ezipụta etu nchọcha a si metụta mmebe okwu, usoro okwu na echiche ngwaa n'olu atọ ndị ahụ.

**Ngwaa osisi nri**

Asụsụ, dị ka Nweze, Nwaoke na Ikegwonu (2019) siri kwuo, bụ ngwa nzikọrita ozi bara oke uru nye ọtụtụ ihe mmadụ na-eme nke na-arụkwa ọrụ dịka ejimmara mba ma ọ bụ obodo ọ bụla. Asụsụ abụghị naanị ụzọ mmadụ na ibe ya si ezikọrịta ozi kama ọ bụkwa ụzọ mmadụ si ezipụta ihe ndị ọzọ metụtara ọdịmma nke mmadụ. Gerhardt (2013) dere sị na mmadụ ọ bụla ahụ dị ma ọ bụ obodo ọ bụla na-eri nri ma na-ekwukwa okwu. Cotter (1997) na Norrick (1983) kwuru na gbe a na-esi nri, e nwere mkpụrụ okwu na ewumewu pụrụ iche ndị na-eziputa echiche dị iche iche nye ihe a na-eme. Ụfọdụ na mkpụrụ okwu ndị ahụ bụ mkpọaha na nkọwa aha ebe ọtụtụ n'ime ha bụ ngwaa. Jabonillo (2016) kwuru na amụmamụ ndịzima, ọdịnala na agwa dị iche iche banyere nri bụ nke a na-amụ n'alaka amụmamụ asụsụ nri nke nwa Bekee kpọrọ *Culinary Linguistics*. Fitrisia, Sibarani, Mulyadi, Ritonga (2018) kwenyere na alaka amụmamụ asụsụ nri (*Culinary Linguistics*) bụ alaka ọmụmụ nke metụtara mpaghara ọmụmụ ndị ọzọ nke ga-enyere amamihe ndị mmadụ na obodo ha aka ịkwalite omenaala nri. Ndị Igbo kwenyere na ihe onye na-eri ka ọ na-adị ka ya. Ya mere, a bịa n'ala Igbo, e nwekwara ụdị nri di iche iche; ọnụmara ma ọ bụ obodo ọ bụla n'ala Igbo nwekwara ụdị nri e ji mara ha mana etu o sịla dị nchọcha a gbadoro ụkwụ na ngwaa ndị esim nri n'obodo atọ ndị ahụ anyị na-eleba anya.

| Og | Ezaa | Ikwo | Izii | Igbo Izugbe |
|---|---|---|---|---|
| 1. | Ghé | ghé | Ghé | Ghé |
| 2. | Shí | shí | Shí | Sí |
| 3. | Bá | bá | Bá | Bàchá |
| 4. | Bí | bí | Bí | Bé |
| 5. | hụ́ | ghụ́ | hụ́ | hụ́ |
| 6. | gwọ́ | gwọ́ | gwọ́ | gwọ́ |
| 7. | Dá | dá | Dá | Dá |
| 8. | kwọ́ | kwọ́ | kwọ́ | kwọ́ |
| 9. | Hwá | hwá | Hwá | fụ́ |
| 10. | Mí | mí | Mí | Mí |
| 11. | tsụ́ | tsụ́ | tsụ́ | sụ́ |
| 12. | Wá | wá | Wá | Wá |
| 13. | kụ́jà | kụ́jà | kụ́jà | kụ́wà |

Mkpụrụ okwu ndị e zipụtara na tebụl n'elu bụ isi ngwaa osisi nri n'olu ndị atọ kacha pụta ihe n'olu ndị mejupụtara ụyọkọ olu ndị Abakaliki. E nwechaghị ndịiche pụtara ihe n'edide na mkpọpụta isi ngwaa ndị ahụ n'etiti olu ndị atọ ahụ. . Ọtụtụ n'ime isi ngwaa ndị ahụ na nke Igbo Izugbe bụ otu nke na-egosi na ha bụ nke e sitere n'otu ebe (asụsụ) mebepụta. Isi ngwaa ndị ahụ nwekwara ike izipụta ọtụtụ echiche site n'ụdị ọrụ ha na-arụ nakwa ụdị mkpụrụ echiche ndabe ndị a gbakwụnyere ha n'ahịrị okwu. Ka anyị tụlee ngwaa ndị ahụ n'otu n'otu n'ime ahịrị okwu.

3. **ghé**

a. Ó-ò ghe ashịboke

Nn In Mkp

Ọ na-eghe ahụekere

b. Ó-ò-o ghé àshịboke

Nn-Nyn In Mkp

Ọ ga-eghe ahụekere

ch. (Uche ) ghè-é ashiboke

(Mkp) In-Ụns Mkp

Uche ghee ahụekere

d. Uche là-é-ghe ashiboke
Mkp Nyn-Ụng-In Mkp
Uche ga-eghe ahụekere

e. Uche là-e-ghé ashiboke
Mkp Nyn-Ụng-In Mkp
Uche na-eghe ahụekere

f. Ó ghe-rù ashiboke
Nn In-Mnr Mkp
O ghere ahụekere

4. **shí**

a. Ó-ò shi nkashị

Nn In Mkp

Ọ na-esi ede

b. Ó-ò-o shi nkashị
Nn-Nyn In Mkp
Ọ ga-esi ede

ch. (Elom) shì-á nkashị

(Mkp) In-Ụns Mkp

Elom sie ede

d. Uche là-é-shi nkashị

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Uche ga-esi ede

e. Uche là-e-shí nkashị

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Uche na-esi ede

f. Ó shi-rù nkashị

Nn In-Mnr Mkp

O siri ede

**5. bá**

a. Ọ́-ọ̀ ba ji
Nn In Mkp
Ọ na-abacha ji

b. Ọ́-ọ̀-ọ ba ji
Nn-Nyn In Mkp
Ọ ga-abacha ji

ch. (Elom) bà-á ji

(Mkp) In-Ụns Mkp

Elom bacha ji

d. Ogbule là-á-ba ji
Mkp Nyn-Ụng-In Mkp
Ogbule ga-abacha ji

e. Ogbule là-a-bá ji
Mkp Nyn-Ụng-In Mkp
Ogbule na-abacha ji

f. Ọ́ ba-rù ji
Nn In-Mnr Mkp
O bachara ji

**6. bí**

a. Ó-ò bi eba
Nn In Mkp
Ọ na-ebe akwụkwọ nri

b. Ó-ò-o bi eba
Nn-Nyn In Mkp
Ọ ga-ebe akwụkwọ nri

ch. (Umoke) bì-á eba

(Mkp) In-Ụns Mkp

Umoke bee akwụkwọ nri

d. Ewa là-é-bi ji

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Ewa ga-ebe akwụkwọ nri

e. Ewa là-e-bí ji

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Ewa na-ebe akwụkwọ nri

f. Ó bi-rù ewa

Nn In-Mnr Mkp

O bere akwụkwọ nri

**7. hụ́**

a. Ọ́-ọ̀ hụ akpe

Nn In Mkp

Ọ na-ahụ ọka

b. Ọ́-ọ̀-ọ hụ akpe

Nn-Nyn In Mkp

Ọ ga-ahụ ọka

ch. (Chika) hụ̀-á akpe

(Mkp) In-Ụns Mkp

Chika hụ ọka

d. Akọchi là-á-hụ akpe

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Akọchi na-ahụ ọka

e. Akọchi là-a-hụ́ akpe

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Akọchi ga-ahụ ọka

f. Ọ́ hụ-rụ̀ akpe

Nn In-Mnr Mkp

Ọ hụrụ ọka

**8. gwọ́**

a. Ọ́-ọ̀ gwọ ine

Nn In Mkp

Ọ na-agwọ inine

b. Ọ́-ọ̀-ọ gwọ ine

Nn-Nyn In Mkp

Ọ ga-agwọ inine

ch. (Ebuka) gwọ̀-ọ́ ine

(Mkp) In-Ụns Mkp

Ebuka gwọ-ọ inine

d. Nwizhii là-á-gwọ ine

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Nwizhii na-a-gwọ inine

e. Akọchi là-a-gwọ́ ine

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Akọchi ga-agwọ inine

f. Ọ́ gwọ-rụ̀ ine

Nn In-Mnr Mkp

Ọ gwọrụ inine

**9. dá**

a. Ọ́-ọ̀ da ọkpa l'ọkụ

Nn In Mkp

Ọ na-ada ọkpa n'ọkụ

b. Ọ́-ọ̀-ọ da ọkpa l'ọkụ

Nn-Nyn In Mkp

Ọ ga-ada ọkpa n'ọkụ

ch. (Emeka) dà-á ọkpa l'ọkụ

(Mkp) In-Ụns Mkp

Emeka daa ọkpa n'ọkụ

d. Nwofe là-á-da ọkpa l'ọkụ

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Nwofe ga-ada ọkpa n'ọkụ

e. Amaechi là-a-dá ọkpa l'ọkụ

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Amaechi na-ada ọkpa n'ọkụ

f. Ọ́ da-rụ̀ ọkpa l'ọkụ

Nn In-Mnr Mkp

Ọ dara ọkpa n'ọkụ

**10. kwó**

a. O kwo mvụla

Nn In Mkp

Ọ na-ekwo mbana

b. Ó-ò-o kwo mvụla

Nn-Nyn In Mkp

Ọ ga-ekwo mbana

ch. (Umoke) kwò-ó mvụla

(Mkp) In-Ụns Mkp

Umoke kwoo mbana

d. Ewa là-é-kwo mvụla

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Ewa ga-ekwo mbana

e. Amadụ là-e-kwó mvụla

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Amadị na-ekwo mbana

f. Ó kwo-rù mvụla

Nn In-Mnr Mkp

O kworo mbana

**11. hwá**

a. Ọ́-ọ̀ hwa olubu

Nn In Mkp

Ọ na-afọ onugbu

b. Ọ́-ọ̀-ọ hwa olubu

Nn-Nyn In Mkp

Ọ ga-afọ onugbu

ch. (Nwaeke) hwà-á olubu

(Mkp) In-Ụns Mkp

Nwaeke fọọ onugbu

d. Nwaeke là-á-hwa olubu

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Nwaeke ga-afọ onugbu

e. Nwaeke là-a-hwá olubu

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Nwaeke na-afọ onugbu

f. Ọ́ hwa-rù̀ olubu

Nn In-Mnr Mkp

Ọ fọọrọ onugbu

**12. Mí**

a. Ọ́-ọ̀ mị ema

Nn In Mkp

Ọ na-amị azụ

b. Ọ́-ọ̀-ọ mị ema

Nn-Nyn In Mkp

Ọ ga-amị azụ

ch. (Nwite) mì-á ema

(Mkp) In-Ụns Mkp

Nwite mịa azụ

d. Nwite là-á-mị ema

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Nwite ga-amị azụ

e. Nwite là-a-mí ema

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Nwite na-amị azụ

f. Ọ́ mị-rù̀ ema

Nn In-Mnr Mkp

Ọ mịịrị azụ

**13. tsụ́**

a. Ọ́-ọ̀ tsụ ụtara egbụrụ

Nn In Mkp MkpNk

Ọ na-asụ ụtara akpụ

b. Ọ́-ọ̀-ọ tsụ ụtara egbụrụ

Nn-Nyn In Mkp MkpNk

Ọ ga-asụ ụtara akpụ

ch. (Mbam) tsụ̀-á ụtara egbụrụ

(Mkp) In-Ụns Mkp MkpNk

Mbam sụọ ụtara akpụ

d. Mbam là-á-tsụ ụtara egbụrụ

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp MkpNk

Mbam ga-asụ ụtara akpụ

e. Mbam là-a-tsụ́ ụtara egbụrụ

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp MkpNk

Mbam na-asụ ụtara akpụ

f. Ọ́ tsụ-rù̀ ụtara egbụrụ

Nn In-Mnr Mkp MkpNk

Ọ sụrụ ụtara akpụ

**14. wá**

a. Ọ́-ọ̀ wa ji

Nn In Mkp

Ọ na-awa ji

b. Ọ́-ọ̀-ọ wa ji

Nn-Nyn In Mkp

Ọ ga-awa ji

ch. (Alịnshịị) wà-á ji

(Mkp) In-Ụns Mkp

Alịnshịị waa ji

d. Alịnshịị là-á-wa ji

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Alịnshịị ga-awa ji

e. Alịnshịị là-a-wá ji

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Alịnshịị na-awa ji

f. Ọ́ wa-rụ̀ ji

Nn In-Mnr Mkp

Ọ wara ji

**15. kụ́jà**

a. Ọ́-ọ̀ kụja ẹkwa

Nn In Mkp

Ọ na-akụwa akwa

b. Ọ́-ọ̀-ọ kụja ẹkwa

Nn-Nyn In Mkp

Ọ ga-akụwa akwa

ch. (Agbọm) kụ́jà-á ẹkwa

(Mkp) In-Ụns Mkp

Agbọm kụwaa akwa

d. Agbọm là-á-kụja ẹkwa

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Agbọm ga-akụwa akwa

e. Agbọm là-a-kụ́ja ẹkwa

Mkp Nyn-Ụng-In Mkp

Agbọm na-akụwa akwa

f. Ọ́ kụjà-rụ ẹkwa

Nn In-Mnr Mkp

Ọ kụwara akwa

**Nchịkọta, mmechi na aro**

Nchọcha a lebara anya na ọmụnghọta mmebe na usoro okwu ngwaa osisi nri dị ka ha si apụtụ ihe n'olu ndị atọ kacha buo ibu na mpaghara Abakaliki. Anyị chọpụtara na olu ndị atọ ahụ nwere nghọtarịta nke ukwu nke na isi ngwaa osisi nri ha niile nwere otu nsupe na otu mkpọpụta. Ngwaa osisi nri ndị ọchọcha chọpụtara dị iri na atọ n'ọnụ ọgụ; ọ bụ naanị otu bụ isi ngwaa ukwu ebe ndị ọzọ bụ isi ngwaa mfe. Isi ngwaa ukwu ahụ nwere ụdaolu nke ụdaala na-esochi ebe isi ngwaa mfe ndị ahụ na-adọtara onwe ụda olu ala. Mgbe nnọchi aha na-arụ ọrụ omee n'ahịrị ngosi oge ngawanye ndị ugbu a, isi ngwaa ndị ahụ na-adị ka chi si kee ha n'ihi na ha anaghị adọtara onwe ha mgbakwụnye ọ bụla. Mana ọ bụrụ mkpọ aha na-arụ ọrụ omee, ha na-adọtara isi ngwaa ahụ nnyemaka ngwaa *–la* nke na-anọchite anya *–na* n'olu ndị ahụ. Mgbe e wubere ahịrị ntimiwu, ngwaa ndị ahụ na-adọtara onwe ha mgbakwụnye ụda ume nsonaazụ (Open Vowel Suffix) *-a/-e.* N'aka nke ọzọ, mgbe ngwaa ndị ahụ na-ezipụta ngosi oge ndịnihu, ha na-adọtakwara onwe ha nnyemaka ngwaa *–la* ma ọ bụrụ na omee n'ahịrị okwu ha dị n'ime ya bụ mkpọ aha mana ọ bụrụ na omee bụ nnọchị aha, nnọchị aha ahụ na-adọtara onwe ya nnyemaka nnọchi (auxiliary pronoun) *ọ̀/ ò* nke na-ezipụta ngosi oge ndị ugbu a mere gawa ebe a na-eji *ò-ò /ọ̀-ọ̀* ezipụta ngosi oge ndịnihu nke na-apụta ihe naanị mgbe omee ahịrị okwu ahụ bụ nnọchi aha. Ahịrị ngosi oge ndịnihu na ahịrị ngosi oge ndị ugbu a mere gawa ndị nwere mkpọ aha dị ka omee na-eyi onwe ha n'ihi na ha na-adọtara onwe ha nnyemaka ngwaa *-la* mana oge olu mkpọpụta ha anaghị abụ out nke mere akara ụda mkpọpụta ha ji dị iche iche. Ngwaa ndị ahụ na-eji mgbakwụnye *-rụ/-ru* ezipụta ngosi oge ndịnaazụ n'agbanyeghị ma omee ọ bụ mkpọ aha ma ọ bụ nnọchi aha. Ndị ọchọcha jikwa ohere a atụ aro na ọ dị mkpa na e chekwabara ngwaa osisi nrị ndị a ka ụmụ na-eto eto na ndị a ga-amụ n'ọdịnihu nwee ike ịmụta ha ma si etu ahụ kwalite olu ndị ahụ dum nakwa asụsụ Igbo.

**Okwu ndebirisi**

IN- Isi gwaa

INE – Isi ngwaa enweobe
Mgb – Mgbakwụnye
MMS – Mgbakwụnye mgbatị nsonaazụ
N – Nnara
NE – Nganihu enweobe
Ng – Mgbakwụnye Nganihu
Nj – Mgbakwụnye njụ
Nn- Nnọchi aha
Ns – Nsonazụ
Mkp – Mkpọ aha
Nyn – Nnyemaka ngwaa
Ụns – ụda ume nsonaazụ

(Open Vowel Suffix)

Ụng - ụda ume nganihu

(Open Vowel prefix)

Mnr –mgbakwụnye nganazụ -rV

MkpNk - Mkpọ aha nkọwa

**Ndịna**


1. Akinrẹmi, I. I. (2016). Structural patterns and strategies of code switching in Igbo-English bilingual discourse. *Studies in African Linguistics* Vol 45, No 1 & 2 http://sal.research.pdụ.edu/PDF/450Akinremi.pdf
2. Anyanwu, U. (2014) Beyond the Big Hoes and Yam Mounds: A Re-appraisal of Ezza Traditional Economy *Nsukka Journal of the Humanities* No. 14, 2004, ihu. 67-77
3. Asamoah, F. (2018) Motion Verbs in Anum (Gwa*) The International Journal of Humanities & Social Studies* Vol 6 Issue 12 www.theijhss.com
4. Castillo, M. J. (2013c) Modes of Thinking, Language and Linguistics, in Analecta Malacitana, Anejos/94, Universidad de Málaga.
5. Castillo, M. J. (2015) The Speech Act as an Act of Knowing. *International Journal of Language and Linguistics.* Special Issue: Linguistics of Saying. Vol. 3, No. 6-1, pp. 31-38
6. Cotter, C. (1997). Claiming a piece of the pie: How the language of recipes defines community. In *Recipes for Reading: Community Cookbooks, Stories, Histories*, Anne L. Bower (ed), 51–72. Amherst MA: University of Massachusetts Press.
7. Emenanjo, E. N. (1978). *Elements of modern Igbo grammar: A descriptive approach.* Ibadan: Oxford University Press.
8. Emenanjo, E. N. (1991) *Nchịkọta asụsụ na ụtọasụsụ Igbo Izugbe.* Lagos: Longman Nig Plc
9. Emenanjo, E. N. (2015). *A grammar of contemporary Igbo: Constituents, features and processes.* Port Harcourt: M & J Grand Orbit Communications Ltd.
10. Fernández, J. R. (2011) José Ortega y Gasset: The Justification of Philosophy https://translate.google.com/translate?hl=en&sl=es&u=http://www.scielo.org.co/pdf/idval/v61n150/v61n150a03.pdf&prev=search
11. Fitrisia, D., Sibarani, R., Mulyadi, H. M. & Mara Untung Ritonga (2018) Traditional food in the perspective of culinary linguistics. *International Journal of Multidisciplinary Research and Development* Volume 5; Issue 2; February 2018; Page No. 24-27
12. Gerhardt C. (2013). Food and language – language and food. Gerhardt C, Frobenius M, Ley S. *Culinary Linguistics; The chef's special.* Amsterdam. John Benjamins Publishing Company, 2013.
13. Jabonillo J. P. (2016) A Preliminary Research on Boholano Culinary Linguistics. (Thesis) Department of Linguistics, University of the Philippines.
14. Kalven, H. Jr. (1964) The New York Times Case: A Note on "The Central Meaning of the First Amendment." *Supreme Court Review* 1964:191–221.
15. Kemmerer, D. na Castillo, J. G. (2010) The Two-Level Theory of verb meaning: An approach to integrating the semantics of action with the mirror neuron system Brain and Language Volume 112, Issue 1, January 2010, Pages 54-76
16. Lukassek, J., Prysłopska, A., Hörnig, R., na Maienborn, C. (2016) The Semantic Processing of Motion Verbs: Coercion or Underspecification? SFB 833, Universität Tübingen, Nauklerstraße 35, Tübingen, Germany https://www.researchgate.net/publication/311519407_The_Semantic_Processing_of_Motion_Verbs_Coercion_or_Underspecification/fulltext/584a9d4908aee436cbff073d/311519407_The_Semantic_Processing_of_Motion_Verbs_Coercion_or_Underspecification.pdf?origin=publication_detail
17. Lynch, J. (1998). *Pacific languages: an introduction.* Hawai'i: University of Hawai'i Press
18. Mbah, B.M. & E.E. Mbah (2010). *Topics in phonetics and phonology: Contribution from Igbo.* Nsukka: AP Express Publisher.
19. Mbah, B. M. (2018). *Generalised Igbo syntax.* Awka: Amaka Dreams Ltd
20. Norrick, Neal R. (1983b.) Recipes as texts: Technical language in the kitchen. *Sprache, Diskursund Text, Akten des 17. Linguistischen Kolloquiums, Brussel, 1982*, Rene Jongen, Sabine De Knop, Peter H. Nelde & Marie-Paule Quix (eds), 173–182. Tuebingen: Niemeyer.

21. Nwaoke, E. E., Nweze I. M. & Nwode, G. C. (2019). Mmebe na usoro njụ n'olu ndị Ẹzaa. *Nsukka Journal of Humanities* Vol. 27 (1) 2019, pp. 83 – 95
22. Nweze, I. M., Nwaoke, E. E. & Ikegwonu, C. N. (2019). Nkwalite Asụsụ Igbo: Ileba Anya na Nsụgharị . *Ékwe jọnal nke ndị Igbo scholars forum*, Nigeria Volume 12; No 1 ihu 40-55 http://www.igboscholarsforum.com.ng/649-2/
23. Odo, D. C., Nwaozuzu, G. I. & Mbah, B. M. (2015). Semantic implication of verbs of eating in Nsukka dialect. *Nsukka working papers in languages, linguistics and literature*. Vol 3, 2015 pp 66 -75
24. Ortega, G. J. (2015) *What is philosophy? and other trials* https://translate.google.com/translate?hl=en&sl=es&u=https://www.alianzaeditorial.es/libro.php%3Fcodcom%3D3403616&prev=search
25. Pinker, S. (1989) *Learnability and cognition*. Cambridge, MA: MIT Press.
26. Rappaport, H. M. &, Levin B. (1998) Building verb meanings. In: Butt M, Geuder W, editors. *The projection of arguments.* Stanford: CSLI Publications; 1998. pp. 97–134.
27. Sablayrolles, P. (1995). *Semantics of motion.* IRIT – University Paul Sabatier
28. Talmy, L. (1975). Semantics and Syntax of motion. In J.P. Kimball (ed.) *Syntax and Semantics*, vol. 4, 181-238. London: Academic Press.
29. Talmy, L. (1985). Lexicalization Patterns: Semantic Structure in Lexical Form, in Shopen, T. (ed.), *Language Typology and Syntactic Description: Grammatical Categories and the Lexicon,* Cambridge: CUP.
30. Uchechukwu, C. (2011). *Igbo verbs and cognitive linguistics.* Igbo language studies series 3
31. Van Valin, R. D. (2005) Exploring the syntax-semantic interface. Cambridge: Cambridge University Press
32. Van Valin, R. D. (2006) Some universals of verb semantics. In: Mairal R, Gil J, editors. *Linguistic universals.* ih. 155–178. Cambridge, UK: Cambridge University Press; 2006.
33. https://www.encyclopedia.com/politics/encyclopedias-almanacs-transcripts-and-maps/two-level-theory mbutu : Abalị mbụ n'ọnwa Mee 2019